Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya ma bipụta ya

Jekọb na Isọ

JENESIS ISI 25-33

N'ime ihe ndị a dị ebe a, họrọnụ ndị nke ga-akacha abara nwa unu uru, na ndị nke ga-akacha amasị ya. Unu niile mee ihe ndị e kwuru na ha.

GỤỌNỤ JENESIS 32:3–33:20

Unu gụchaa ya, unu agụọ ihe e dere na katuun e sere ese e ji akụzi Baịbụl (unu nwere ike ịgụ ya n'Ịntanet, ma ọ bụkwanụ unu ebipụta ya ebipụta gụọ). Tụleekwanụ ajụjụ ndị ahụ a jụrụ ná ngwụcha nke ọ bụla.

IHE UNU GA-EME: Nyerenụ nwa unu aka ka o chee ihe gaara eme ma a sị na ihe agaghị otú ahụ o si gaa. Dị ka ihe atụ, gịnị gaara eme ma a sị na Jekọb lụsoro Isọ na narị ndị ikom anọ so ya ọgụ kama inye ya onyinye? Unu nwekwara ike igere akụkọ gbasara Jekọb na Isọ n'ihe nkiri bekee a na-egere egere isiokwu ya bụ "Appreciating Our Spiritual Heritage." Ị chọọ ịdanlodu ya, gaa na www.jw.org, pịa ebe e dere "Publications," pịakwa "Dramas."

IHE NDỊ ỌZỌ UNU GA-EBIPỤTA



FOTO E JI AKỤZI IHE

IHE Ị GA-ETE KREYỌN Ọ bụ maka obere ụmụaka: Gwa ha tee foto ahụ kreyọn. Gwakwa ha ka ha kọwaa ihe na-eme na foto ahụ.

IHE E JI AMỤ IHE

MAP Ọ bụ maka ụmụaka ndị toputatụrụlanụ: Gwa ha denye aha ebe ndị Jekọb gara na map ahụ.

WERE YA MỤỌ BAỊBỤL

KAADỊ AKỤKỌ BAỊBỤL Gụọ gbasara onye ahụ a kọrọ akụkọ ya. Jụọ nwa gị ajụjụ ndị dị na kaadị ahụ. Ị ga-ahụ ebe e dere mgbe ihe a kọrọ gbasara onye ahụ mere. Jiri ya nyere nwa gị aka ka ọ hazie ndị a kọrọ akụkọ ha na kaadị ndị a malite ná ndị bu ụzọ dịrị ndụ ruo ná ndị nke ikpeazụ dịrị ndụ.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania